IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Ndị-agha nta nke Gidiọn

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.



Mgbe Joshua nwụsịrị, ụmụ Izrel niile nupụụrụ Chineke isi wee si na ndụ ha wezuga Ya. Chineke wee mee ka ndị agbata-obi ha bụ ndị Midian gbaa ihe-ọkụkụ na ụlọ niile nke ndị Izrel ọkụ. Ndị Izrel wee gaa biri n’ọgba.



Ọ ga-abụrịrị na otu onye Izrel, bụ́ Gidiọn, nwere ebe nzuzo ọ na-akọ ọka wit. O wee zọchaa ọka n'ebe-nzọcha mkpụrụ vine zoro ezo, n'okpuru osisi buru ibu. Ndị Midian amaghị ebe ahụ - ma

Chineke maara ya! Chineke wee zigara Gidiọn ozi site n'aka otu mmụọ ozi.

Chineke chọrọ ka Gidiọn bibie onyinyo nna ya nke chi ụgha ma wuoro ezi Chineke ebe ịchụàjà.  Ọ bụ ezie na Gidiọn tụrụ ụjọ na ndị obodo ya ga-egbu ya, o mere ihe Chineke nyere n’iwu.



Chineke chọkwara ka Gidiọn duru ndị-agha Izrel ka ha jee lụso ndị Midian agha.  Ma Gidiọn tụrụ egwu. Ọ rịọrọ maka ihe ịrịba ama pụrụ iche ga-egosi na Chineke nọnyeere ya.  O wee tọgbọ akpụkpọ atụrụ na-acha aja aja n'ala.





Gidiọn kpere ekpere sị, “Ọ bụrụ na igirigi dị n'ajị anụ ahụ naanị, ọ bụrụkwa na ala dum dị akọrọ,” “Mgbe ahụ, m ga-amarakwa na ị ga-esite n’aka m zọpụta ndị Izrel, dị ka I kwuworo.” N'ụtụtụ, ala akpọọla nkụ, ma ajị anụ ahụ na-atasịsị mmiri!



Gidiọn ka nwere obi abụọ. Ugbua, ọ chọrọ ka Chineke tinye igirigi n’ala ma ọ bụghị n’ajị anụ ahụ.  N'ụtụtụ echi ya - ala ahụ na-atasịsị mmiri, mana AJỊ ANỤ NDỊ AHU AKPỌỌLA NKỤ!

Gidiọn wee duru usu-ndị-agha dị puku iri atọ na abụọ. Chineke wee wetuo ha ka ha dị naanị narị mmadụ atọ. Chineke achọghị ka Izrel kwuo sị, “Ọ bụ ike aka m zọpụtara m.” Naanị Chineke bụ Onye Nzọpụta nke Izrel .



Ebe ọ matara na Gidiọn ka nọ na-atụ egwu, Chineke kwere ka ọ nụ na nzuzo ka otu onye agha Midian na-akọrọ onye ọzọ banyere nrọ dị ịtụnanya nke ọ rọrọ. N’ime nrọ ahụ, otu ogbe achịcha dakwasịrị n’ụlọ-ikwuu nke ndị Midian ma bibie ya.



Onye-nche nke ọzọ tụrụ ụjọ.  O tiri mkpu sị, “Nke a bụ… mma agha nke Gidiọn …” Mgbe Gidiọn nụrụ nrọ ahụ na ihe ọ pụtara, ọ matara na Chineke ga-eme ka ya merie.



Gidiọn tụrụ atụmatụ ịwakpo ha n’abalị.  O nyekwara onye-agha ọbula opì, na ite nke ihe n’adịghị n’ime ya nke nwekwara ọwa n’ime ha. Ha wee gbaa ndị-agha Midian gburugburu.



Na ntụziaka nke Gidiọn, ndị-agha niile wee fụọ opi ha, tipịa ite ha ma mụnye ọwa ha ọkụ. Lee mkpọtụ! Lee mgbagwoju anya ebe niile! Ndị Midian ahụ tụrụ oke egwu biliri wee gbapụ.



Mgbe nnukwu mmeri nke a gasịrị, ndịkom Izrel rịọrọ Gidiọn ka ọ chịwa ha. “Agaghị m achị unu ... Jehova ga-achị unu,” ka Gidiọn zara ha. Ọ maara na ọ bụ naanị Chineke nwere ikike ịchị ná ndụ ndị mmadụ.



Ndị-agha nta nke Gidiọn

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Ndị Ikpe – Isi nke isii rue isi nke asatọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.